IAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Daniel onye a dọọrọ n'agha



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Jonathan Hay
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Mary-Anne S.

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Daniel na ndị enyi ya atọ biri n’ala Izrel. Otu ụbọchị, otu nnukwu eze bịara n’ala nna ha wee kpụrụ ụmụ okorobịa niile maara ihe laa obodo ya. Eze ahụ nwere aha dị ogologo nke ukwuu – Nebukadneza - o bikwa n’obodo dị anya nke a na-akpọ Babịlọn.



E mesoro ụmụ okorobịa ahụ nke ọma na Babịlọn.  Eze ahọpụtawo ụmụ okorobịa kacha mma na n'obodo niile dị n'ụwa.  O mere atụmatụ ịzụ ha n’asụsụ Babịlọn ka ha wee bụrụ ndị ohu ya ma nyere ya aka n’ọchịchị alaeze ya ahụ.



Nri ahụ dịkwa mma. Ụmụ okorobịa ahụ na-eri ihe eze riri. Ma Daniel na ndị enyi ya achọghị iri nri ahụ n'ihi na e meworị ya nye chi ụgha. Daniel kwere nkwa na ya agaghị eme ihe ọbụla megide Chineke ya. Chineke Izrel enyewo ndị ya iwu ka ha ghara inwe ihe jikọrọ ha na arụsị ma ọ bụ chi ụgha.



Daniel rịọrọ onye na-ahụ maka ọzụzụ ya ikike ka ọ ghara iri nri eze.  Ọ bụrụ na eze achọpụta, ọ ga-ewe ya iwe nke ukwuu.  Ma Chineke mere ka Daniel nweta iru-ọma n'ebe nwoke a nọ.



O kwetara inye Daniel na ndị enyi ya ule.  Ruo ụbọchị iri, ha na-eri naanị akwụkwọ nri ma na-aṅụ naanị mmiri.  N'ọgwụgwụ ụbọchi iri ahụ, Daniel na ndị-enyì ya dị mma karịa ụmụ okorọbịa niile ndị na-eri nri eze. Ya mere, e kwere ka ha riwe akwụkwọ nri na mmiri gaa n'ihu.



Ụmụ okorobịa ndị a sọpụụrụ Chineke. Chineke kwanyeere ha ugwu. Chineke wee nye ha ọmuma-ihe na nghọta n'ihe niile ha mutara, Daniel nwekwara amamihe ighọta ọhụ na nrọ niile.





Mgbe afọ atọ nke ọgụgụ akwụkwọ gachara na Babịlọn, a kpotaara eze Nebukadneza ụmụ okorobịa niile ahụ.  Ọ họọrọ Daniel na ndị enyi ya atọ dị ka ndị kasị mma n'ime ha niile. N'ezie, eze ahụ chọpụtara na Daniel nwere amamihe karịa ndị amamihe niile nọ n'alaeze ya.

Otu abalị, eze rọrọ nrọ ọjọọ. O wee kpọọ ndị ode-akwukwọ ya niile, ndị dibịa ya niile na ndị ọgba-afa ya niile ka ha bịa guzo n'iru ya. Eze wee si, “Arọwo m nrọ, ma mmụọ m na-achọsi ike ịghọta nrọ ahụ.” Ndị amamihe ahụ wee zaa sị, “Eze, Ị ga-adị ndụ rue mgbe ebighị-ebi: kọọrọ ndị-orù gị nrọ ahụ, anyị ga-agwakwa gị ihe ọ pụtara.”



Eze zara sị, “Mba! Ị ga-agwa m ihe m rọrọ na ihe ọ pụtara. Ọ bụrụ na i meghị nke a, a ga-egburisi unu mkpirikpi ma gbakwa ụlọ unu ọkụ! Ma ọ bụrụ na unu agwa m nrọ ahụ na ihe ọ pụtara,” eze gara n'ihu si, “ga-anata onyinye na ụgwọ ọrụ na nnukwu nsọpụrụ dị iche iche.” N’ezie, ọ dịghị onye n’ime ndị amamihe ahụ pụrụ ịkọrọ eze nrọ ya.



Ndị amamihe nke eze gwara eze sị, “Ọ dịghị nwoke ọbụla n'ụwa nke na-eme ihe ị na-ariọ, naanị obere chi nwere ike ime ya, ma ha adịghị ebi n'ụwa.” Iwe were eze nke ukwuu. “Kpochapụ ndị amamihe niile nke Babịlọn!” ka o nyere iwu.



Ma mgbe ndị-agha bịakutere Daniel,
ọ sị Arịọk, bụ onye-isi eze, “Gịnị mere
eze na-ebibi ndị amamihe niile?”
Arịọk wee gosi Daniel ihe niile
nke mere.  Daniel gara ịhụ eze.
Ọ rịọrọ ka e nyekwuo ya oge
ka o wee gwa eze ihe
nrọ ya pụtara.



Daniel wee jee n'ụlọ ya, kọọrọ ndi enyì ya Shedrak, Mishak na Abednego ihe niile.  Daniel amaghị ihe nrọ ahụ bụ ma ọ bụ ihe ọ pụtara, ma ọ maara Onye maara ihe niile. Na Onye ahụ bụ Chineke.  N’ihi ya, Daniel na ndị enyi ya kpere ekpere.



Chineke gosiri Daniel nrọ ahụ na ihe ọ pụtara. Daniel gọziri Chineke nke eluigwe, na-asị, “Onye agọziri agọzi ka aha Chineke bụ ruo mgbe ebighị ebi, n'ihi na amamihe na ike bụ nke ya.” Daniel wee mee ngwa bịakute eze sị ya, “E nwere Chineke dị n'eluigwe nke na-ekpughe ihe-nzuzo.” Ọ gwara eze ihe ọ rọrọ na ihe nrọ ahụ pụtara.



Mgbe Eze Nebukadneza nụrụ nrọ ahụ na ihe ọ pụtara,
ọ dara n’ala n’ihu Daniel wee sị, “N’ezie, Chineke gị bụ
Chineke nke chi dị iche iche, na Onye-nwe nke ndị eze,
na onye na-ekpughe ihe-nzuzo niile,
ebe i nwere ike ikpughe ihe nzuzo a!”
Eze wee mee Daniel onye-ukwu, nye
ya ọtụtụ onyinye inata iru-ọma.
O mekwara ya onye-isi ala niile
nke Babịlọn, na
onye-isi ndị
amamihe niile
nke Babịlọn.



Daniel onye a dọọrọ n'agha

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Daniel Isi nke mbụ rue nke abụọ

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.